# ỌKÀ AHỤ NA ATÁ AHỤ NIILE

## Matiu 13:24-30, 36-43

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 76 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Chikọtaranum ndi-eberem; bú ndi Mu na ha gbara ndu n'elu àjà" (Abù Ọma 50:5).**

**I Mkpụrụ Ọma Ahụ Aghara N'Ubi Ahụ**

1. Ejiri Alaeze Eluigwe tụnyere ilu nke atá ahụ, Matiu 13:24, 25
2. "Madu ahu nke ghara nkpuru ọma ahu bu Nwa nke madu, Matiu 13:24; 13:37; 18:11
3. "Ubi" ahụ nke aghara mkpụrụ ahụ nime ya bụ ụwa, Matiu 13:24; 13:38; Abù Ọma 2:8
4. "Mkpụrụ ọma" ahụ bụ ụmụ nke Alaeze eluigwe, Matiu 13:24; 13:38; Ndi Rom 8:16

**II Atá ahụ Aghara N'Etiti Ọkà Ahụ**

5. Aghara atá ahụ mgbe mmadụ naararu ụra (nime mmụọ), Matiu 13:25; Aisaia 60:2; I Ndi Tesalọnaika 5:6
6. "Atá" ahụ bụ ụmụ nke ajọ onye ahụ, Matiu 13:25; 13:38; Jọn 8:44
7. "Onye-iro" ahụ nke ghara atá ahụ bụ ekwensu, Matiu 13:25; 13:39; Ndi Efesọs 6:11

**III Nkewapụta Ahụ N'oge Owuweiheubi Ahụ**

8. "Owuwe-ihe-ubi" ahụ bụ ọgwụgwụ oge a, "ndi ahu nēwe ihe-ubi" bụ kwa ndị mmụọozi, Matiu 13:30; 13:39; Mak 13:27
9. Agaghị eropụ atá ahụ, ka aghara iropụ kwa ọkà ahụ ma eleghịanya, Matiu 13:28, 29; Ọlu Ndi-ozi 15:14-17
10. Nkewapụta ikpèàzụ̀ ahụ naabịa n'oge owuweiheubi, Matiu 13:30; 25:31, 32; Daniel 12:2
11. Achịkọtara "atá" ahụ wee rechapụ ha n'ọkụ (ọkụ ebighịebi), Matiu 13:30; 13:40-42; 25:41
12. Achịkọtara "ọkà" ahụ nime "ọba" Ya (Alaeze nke Nna ha), Matiu 13:43; Daniel 12:3.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Ilu nke Ọkà ahụ na Atá ahụ, dịka ilu nke Ọghamkpụrụ ahụ, ka Onyenweanyị kọwara. N'ihi nke a ọ dịghị mkpà anyị onweanyị ịnọ n'obi abụọ ọ bụla banyere nkọwa nke ilu ọ bụla nime ha. Nke mbụ, dịka anyị hụrụ, na o metụrụ aka n'ụdị nnabata ahụ nke ndị mmadụ nwere n'ebe Okwu Ya dị -- ihe dị mkpà nke ukwu; n'ihi na nnabata nke a gaeme mmadụ ịbà n'Alaeze Eluigwe ahụ. Ilu abụọ nke a naesochi kwa ya n'àzụ̀ otú o kwesịrị, n'ihi na ọ bụ nzọụkwụ nke náaga n'iru banyere Alaeze ahụ, náekpughe ọnọdụ ikpéàzụ̀ nke ndị ahụ ndị bụ̀ "ala di nma" ahụ nke akụrụ Okwu Ya n'obi ha.

### Mkpụrụ Ọma Ahụ

"Ọgha-nkpuru" ahụ n'ihe ịmaàtụ̀ nke a, dịka n'ilu nke garaaga, bụ Nwa nke mmadụ (Matiu 13:37), "ala ahu" ebe akụrụ mkpụrụ ọma ahụ bụ ụwa (Matiu 13:38), "nkpuru ọma" ahụ Ọ naakọwa, bụ ụmụ nke Alaeze ahụ.

N'ụzọ dị otú a, emere ka ọ pụta ìhè n'ilu nke a nzube ukwuu ahụ nke Jisọs bịara nime ụwa nke a n'ihi ya, dịka Saimeon Pita kwuwapụtara ná nzukọ ahụ na Jerusalem mgbe ọ na agbaàmà banyere ojijé ya n'ụlọ Kọniliọs, dịka Jemes kwuwapụtara ya: "Saimeon kọrọ otú Chineke buru uzọ leta ndi mba ọzọ, isi n'etiti ha wepụtara aha-Ya otù ndi" (Ọlu Ndi-ozi 15:14). Site n'ọbịbịa nke Onyenweanyị Jisọs Kraist, agbasara amara nzọpụta nke Chineke rue n'ebe Ndị Mbaọzọ nọ. N'ihe ra ka narị arọ iri na iteghete nwa nke mmadụ nọ kwarị náachọpụtara "aha-Ya otù ndi." Ndịa bụ "umu Ala-eze" ahụ, ndị esi n'etiti ha hụ́ mmadụ ndị sitere n'ebo niile ọ bụla, na mba niile, na asụsụ niile. "Onye-nwe-ulo ahu we si orù-ya, Pua ga n'uzọ nile na ogige nile, rugide kwa madu ka ha bata, ka ulom we juputa" (Luk 14:23). Ọlụ a ganaaga n'iru rue mgbe agaanọchi oche ikpèàzụ̀ nke dị n'efù ná "nri–anyasi ọlụlụ-nwunye nke Nwa-aturu ahu."

### Atá Ahụ N'Etiti Ọkà Ahụ

Ma mgbe óké ọlụ a nke ịgha "nkpuru-ọma" ahụ naarịaga n'iru, ọlụ ọzọ naaga kwa n'iru nime ọchịchịrị, "mgbe madu nāraru ura." "Atá" ahụ nke dị nime ilu a, ka agwara anyị na ọ bụ̀ ụmụ nke ajọ onye ahụ (Matiu 13:38), "onye-iro" ahụ nke náagha ha bụ ekwensu (Matiu 13:39). Site n'oge nke Adam rịdata, ekwensu, n'otù aka ahụ, nọrị achọ "umu" maka alaeze nke ya. N'oge nke Amara nke a ọ naeji kwa ịnụọkụ n'obi náalụsị ọlụ ike karịa ka ọ lụworo, n'ihi na ọ maara na oge ya dị mkpụmkpụ. Ọ gawokwa n'iru inweta óké ịgwè mmadụ ndị náeso ya "mgbe madu nāraru ura," n'ihi na ọtụtụ igwè mmadu ka araraworo nye n'òrùụra nke imemmụọ, wee nọ kwa ugbu a "n'obosara uzọ ahu nke nēduba n'ila-n'iyi." Mgbe náadịghị anya agaeguzobe alaeze ekwensu nke gaadị nwa oge (Nkpughe 13:1-18), bú oge agaeji "oké nkpagbu" ahụ wee leta ụwa. Ọ bụ kwa ihe dịrị mmadụ ikpebi **ugbu a** banyere alaeze nke agaje ịhụ́ ha nime ya n'ụbọchị ahụ.

**Oge Amara Ahụ**

Ọghịgha nke "nkpuru ọma" ahụ na ọghịgha nke "ata" ahụ naaga n'iru n'ụzọ dị otú a ebe anaekwusa "Ozi-ọma nka nke ala-eze elu-igwe" n'ụwa niile (Matiu 24:14). Mgbe ndịorù nke nnanwe ụlọ ahụ chọpụtara atá ahụ n'ubi ahụ, ha sịrị, "Onye-nwe-ayị, I ghagh nkpuru ọma n'ubi-gi? òle ebe kwa ka o si nwe ata?" Ọ sị ha, "Madu nke bu onye-iro mere nka." Ndịorù ahụ wee sị ya, "Ì nāchọ kwa ka ayi je chikọputa ha?" Ma ọ sị, "É-è; ka unu we ghara iropu ha na ọkà ma elegh anya, mgbe unu nāchikọputa ata."

Ụmụ akwụkwọ ndị náamụ Baịbụl bụ́ ndị jeworo Ala Nsọ ahụ naekwere na "ata" pụtara otù ajọ ahịhịa nke nwere aji n'arụ ya nke anaakpọ "darnel," bụ̀ nke náesi ike ịchọpụta ihe dị iche n'ebe ya na ọkà ahụ dị mgbe ha abụọ ka dị ntakịrị, ma bụrụ nke apụrụ ikewapụta náenweghị nsogbu ọ bụla mgbe ha ruru n'oge ịmị mkpụrụ. Ana ahụ ahịhịa nke a ọtụtụ mgbe ka ọ gbasara n'etiti ọkà, gwakọta kwa ebe ọ dị ukwuu nke bụ́ na apụghị iropụ ya náebibighị ọkà ahụ; n'ihi nke a ka o ji dị mkpà ichere rue oge owuweiheubi. N'ihi nke a Chineke naarapụ ka "ọkà" ahụ na "ata" ahụ náabakọta ụba ebe amara nke nzọpụta Ya naejupụta kwa; n'ihi na nke a bụ oge ọghịgha mkpụrụ, dịka enwereike ikwu, mgbe Ọ naakwadobe otù ndị banyere Alaeze eluigwe ahụ, ọbụná nime ajọ ụwa nke a. Enwere ike ghara ịchọpụtasị ụmụ Alaeze Eluigwe ahụ nkeọma ugbu a n'ebe ụmụ nke ụwa nọ dịka ha gaadị ma emesịa; ma otú ọ dị ọ bụ ihe apụrụ ime n'ajọ ọnọdụ niile ndịa ịdị ndụ nke OnyeKraist. "N'ihi na egosiri amara nke Chineke, nēwetara madu nile nzọputa, nādọ ayi aka ná nti ka ayi we ju asọpugh Chineke na agu ihe ọjọ di n'uwa, we di ndu uche zuru okè na nke ezi omume na nke isọpuru-Chineke **n'oge di ugbu a"** (Taitọs 2:11, 12). Chineke akpọwo anyị iso Ya jee ijè n'ụwa, dịka Inọk mgbe ochie, ndị ekewapụrụ obi ha n'ebe ụwa, anụarụ na ekwensu dị. Òkù ahụ ka naada kwa nime ụwa niile. "Onye nke kwere" nwere ike zaa òkù ahụ wee ghọọ nwa nke Alaeze ahụ.

**Oge Owuweiheubi**

Ma otù ụbọchị "oge ọghigha nkpuru" ga akwụsị, "Okà" ahụ gaaka kwa aka ewee kpokọta ha nime "ọba" Ya. Nnanweụlọ ahụ, n'ikwu ihe banyere ọkà ahụ na atá ahụ, gwara ndị orù ya, "Rapunu ha abua ka ha nābakọta uba rue oge owuwe-ihe-ubi: ma n'oge owuwe-ihe-ubi m'gāsi ndi nēwe ihe-ubi, Burunu uzọ chikọta ata ahu, ke kwa ha n'ùkwù ka unu rechapu ha ọku: ma kpokọtanu ọkà ahu n'ọba nkem." "Owuwe-ihe-ubi" ahu, Onyenweanyị naakọwa, na ọ bụ ọgwụgwụ oge a, na "ndi ahu nēwe ihe-ubi" bụ ndị mmụọozi, ná "ọba" ahụ nke ekpokọtara "ọkà" ahụ nime ya bụ Alaeze eluigwe ahụ, nke ụmụ nke Alaeze ahụ naechere náele kwa anya ya. Aga ezokwasị ikpé n'ụbọchị ahụ n'elu ụmụ nke ajọ onye ahụ, ma ọ gaabụ ụbọchị ọñụ na obiụtọ nye ndị Jehova agbapụtara. N'ihi na ụbọchị ahụ na ọbịbịa nke Onyenweanyị n'eluụwa ọzọ ka agaeme ka ọ pụtaìhè, ọ bụghị dịka Nwoke Nazaret ahụ nke dị nwayọ kama dịka Onyeikpé nke ụwa niile.

Mba niile gaezukọ kwa n'iru Ya, Ọ gaekewapụta kwa ha, dịka onye náazụ̀ atụrụ na ekewapụta atụrụ n'ụmụewu, Ọ gaedebe kwa atụrụ n'aka nri Ya, ma ụmụewu n'akaekpe. "Mgbe ahu Eze ahu gāsi ndi nọ n'aka-nri-Ya, Bianu, ndi agọziri agọzi nke Nnam, ketanu ala-eze edoziworo unu site na ntọ-ala nke uwa" (Matiu 25:34). "Mgbe ahu Ọ gāsi kwa ndi nọ n'aka-ekpe-Ya, Puanu n'irum, ndi anābu ọnu, ga n'ọku ebigh-ebi ahu nke edoziworo nye ekwensu na ndi-mọ-ozi-ya" (Matiu 25:41).

O, ka ụbọchị ahụ bịa ngwa mgbe anyị gaahụ́ Ya iru n'iru! "Akēmegh kwa ka ọ puta ìhè ihe ayi gābu. Ayi matara na, ọ buru na agēme ka Ọ puta ìhè, ayi gābu ndi yiri Ya; n'ihi na ayi gāhu Ya otú Ọ di" (I Jọn 3:2). N'ụbọchị ahụ "ọkà" ahụ gaapụta ìhè nkeọma n'ebe "ata" ahụ dị.

**"Ọ bụghị n'ihi ụtọ nk'ụwa,**
**Na ị d'elu ka m'nārị ọ;**
**M'gēji' ọñụ lụ'ọlụ n'ahụhụ,**
**Náni ka m'nānọ nso-Gị."**

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye bụ "ọgha-mkpụrụ" ahụ n'ilu nke a?
2. Gịnị ka "ata" ahụ, "ọkà" ahụ na "ubi" ahụ pụtara?
3. Ọ̀ bụ n'oge gịnị ka ihe ndịa edekọtara ebe a naemezu?
4. Gịnị mere eropụghị atá ahụ mgbe ahụrụ ka ya na ọkà ahụ naetokọta?
5. Gịnị ka Chineke ji rapụ iheọjọọ ka ọ naaga n'iru n'ụwa nke a, dịka edere ya na Eklisiastis 8:11? Gịnị ka "ọba" ahụ pụtara?
6. Òlee oge nke "owuwe-ihe-ubi" ahụ naegosi n'ilu nke a?
7. Gịnị ka anaeme n'ebe atá ahụ na ọkà ahụ dị n'owuweiheubi ahụ? gịnị kwa ka nchịkọta nke a achịkọtara ha naegosi?
8. Kpọọ otù amaokwu site n'Akwụkwọnsọ iji wee kwagide ọ̀zịzá gị n'ajụjụ ahụ nke náesote.
9. Gịnị ka onye mmehie gaeme n'ọnọdụ ịgbanwe site n'ịbụ nwa nke ajọ onye ahụ ghọọ nwa nke Alaeze ahụ?
10. Òlee ụdị ndụ ọ naaghaghị ịdị náebi ka o wee keta Alaeze ahụ n'owuweiheubi ahụ?